lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Jona na Nnukwu Azụ

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Ọtụtụ afọ gara aga, otu nwoke aha ya bụ Jona biri n'ala Izrel.  Otu ụbọchị, Chineke gwara ya ka ọ gaa Ninive,
bụ́ obodo kasị ukwuu
na nke kasị ike n'ụwa.



Jona ga-adọ ndị niile nọ n’ebe ahụ aka ná ntị na Chineke maara otú ha si dị njọ.



Jona nupụụrụ Chineke isi! Kama ịgawa Ninive, Jonah banyere n’ụgbọ ma tinye isi obodo ọzọ chewere ya iru bụ Tashish.



Onye-nwe-anyi Chineke zipụrụ oke ifufe n’ime oke osimiri ahụ.  E nwere nnukwu oké ifufe!  Ndị ọrụ ụgbọ-mmiri ahụ tụrụ egwu na ụgbọ mmiri ahụ nwere ike ịgbawa wee mikpuo.



Oké ifufe ahụ bịara na-akawanye njọ.  Ụjọ tụrụ ndị ọrụ ụgbọ-mmiri ahụ nke ukwu, ha wee kpọkuo chi ha n’ekpere ma tụba ngwongwo niile n’ime ụgbọ mmiri iji mee ka ụgbọ ahụ dị mfe.  Ma ọ dịghị ihe nyere aka.



Jona bụ naanị onye nọ n’ime ụgbọ ahụ na-anaghị ekpe ekpere. Kama o dina ala n’ime ụgbọ ahụ na-ehi ezigbo ụra. Onyeisi ụgbọ mmiri ahụ chọtara ya. “Gịnị ka ị na-eme, ị na-ehi ụra? Bilie! Kpee ekpere nye Chineke gị! Ma eleghị anya, Chineke ga-eche banyere anyị, ka e wee ghara ibibi anyị.”



N’oge na-adịghị anya, ndị ọrụ ụgbọ-mmiri ahụ kpebiri na nsogbu ha nwere metụtara Jona. Ọ gwara ha na ya na-agbara Jehova ọsọ. Ha jụrụ ya sị, “Gịnị ka anyị ga-eme gị, ka oké osimiri a wee dajụọrọ anyị?” Jona zara sị, “Bulienu m tụba m n'oké osimiri. N'ihi na ama m na n'ihi m ka oké ifufe a biakwasiworo unu.”



Ndị ọrụ ụgbọ mmiri ahụ achọghị ịtụba Jona n'ime mmiri.  Ya mere, ha kwọsiri ike ka ha rute n'ala akọrọ.  Ma ha enweghị ike ime nke a.  Naanị otu ihe fọdụụrụ ha ime!



Mgbe ha kpesịrị
ekpere maka
mgbaghara,
ndị
ụgbọ-mmiri
ahụ buliri Jona
elu ma tụba ya n’osimiri
ahụ.  Ka Jona nọ daturu
n’okpuru ebili mmiri ahụ,
oké osimiri ahụ wee daa
jụụ, oke ifufe ahụ wee
kwụsi.



Mgbanwe mberede nke ihu igwe tụrụ ndị ọrụ ụgbọ-mmiri ahụ egwu karịa ka oké ifufe ahụ mere. Ọ ga-abụrịrị na ha maara na naanị Chineke nwere ike ime nke a. N'oké egwu na iju-anya, ha wee kpọọ isi ala nye Jehova.



Ka ọ dị ugbua, onye ozi ahụ nupụrụ isi nwetara nnukwu ihe iju-anya. Ka ọ na-emikpu n'ime ala-mmiri nke oké osimiri ahụ n'enweghị enyemaka, Jona maara na ọ dighị ihe pụrụ ịzọpụta ya n'ime mmiri ahụ. Ọ gaara abu onye mmiri riri - mana Chineke nwere atụmatụ ndị ọzọ.



Jehova doziri otu nnukwu azụ̀ ka o loda Jona.  Azụ ahụ bịakwara n'oge!  N’otu nloda, Jona esiwo n’oké osimiri pụọ banye n’ime afọ azụ̀ ahụ.
Jona nọrọ n’ime azụ̀ ahụ ụbọchị atọ.
O nwere ọtụtụ oge iji chee echiche nakwa ikpe ekpere.



Mgbe ụbọchị atọ gachara, Jona mechara kwe nkwa irubere Chineke isi.  Ozugbo ahụ, Chineke gwara azụ̀ ahụ okwu, o wee gbọpụta Jona n’ụsọ oké osimiri.



Ọzọkwa, Chineke gwara Jona ka ọ gaa Ninive kwusaa okwu Chineke. Na nke ugbua, Jona gara! Jona batara n’obodo ahụ, na-eti mkpu sị, “N’ime ụbọchị iri anọ, a ga-akwatu Ninive.”



Ndị Ninive kweere okwu Chineke. Ha no n’erighi ihe-oriri, n’eyikwa ákwà-uju igosi Chineke na ha nwere mwute n'ihi mmehie niile ha. Eze wee weda onwe-ya ala n'iru Chineke. O si n'oche-eze ya wezuga onwe ya, yikwasi ákwà-uju, nọdụ na ntụ. O nyere onye ọbụla iwu ka ha si n'ụzọ ọjọọ ha na ime ihe ike chigharịa, na-ekpekwa ekpere ka Jehova gbaghara ha.




Chineke gbaghaara ha!  Ọ ga-abụwori ụbọchị ọṅụ magburu onwe ya na Ninive mgbe ha matara na Chineke agbagharala ha. … Mana otu onye nọ na mwute nke ukwu. Jona!



Gịnị mere Jona ji nọrọ na mwute? Ọ gwara Chineke, sị, “Amaara m na ị bụ Chineke nke na-eme amara, na onye na-eme ebere, Onye na-adịghị ewe iwe ọsọ ọsọ, na onye dị ukwuu n’obiọma.” N’ikwu ya n’ụzọ ọzọ, Jona maara na Chineke na-agbaghara ndị na-emejọ mmehie ha ma na-erubere Okwu Chineke isi mgbe niile. O yiri ka Jona ahụghị ndị Ninive n’anya. Ọ chọghị ka a gbaghara ha.

Jona wee weso Chineke iwe nke ukwu, O wee sị, “Naram ndum; n’ihi na ọnwụ ka m mma karịa ndụ.”



Jona nọdụrụ ala n’azụ obodo, na-eche ihe Chineke ga-eme ọzọ. Jehova, bú Chineke, doziri osisi nke nwere nnukwu ibe akwụkwọ di iche iche. O tolitere ngwa ngwa, wee kpuchie Jona site n'anyanwụ dị ọkụ ụbọchị dum.



N'ụtụtụ echi ya, Chineke zitere ikpuru, nke gburu osisi ahụ.  Mgbe ahụ, Jehova doziri oké ifufe siri ike nke fekwasịrị Jona ruo mgbe o chere na ọ ga-anwụ.  Ihe a niile kpasuru Jona iwe.




Jehova wee sị Jona, “Ị nwere ikike iwe
iwe? Ị nwere ọmịiko n'ahụ osisi vaịn, nke
ị na-arụghị ọrụ nakwa nke ị na-akụghị.
O pulitere n'otù abalị ma nwụkwa
n’otu n'abalị. N’ìhi gịnị ka m
na-agaghi emere
Ninive ebere,
bụ obodo ukwu
ahụ, na nnụ
ndịkom ya niile?”

# Jona na Nnukwu Azụ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Jona

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.